# ỌTỤTỤ IHEÀMÀ, MKPỤRỤ DỊICHEICHE NA URÙ NKE NZỌPỤTA

**Ndi Rom 5:1-21; 6:1-23**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 384**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Gini ka ayi gēkwu kwa? Àyi gānọgide ná nmehie ka amara we rie nne? Chineke ekwela. Ayi onwe-ayi, bú ndi nwuru n'ebe nmehie di, àyi gēsi aña nádi ndu ọzọ nime ya?" (Ndi Rom 6:1, 2).**

**I Ịgụ Mmadụ N'onye Eziomume**

1 Anaagụ anyị ná ndị eziomume site n'okwukwe nke mere na anyị na Chineke dị n'udo site na nke a, Ndi Rom 5:1; Ndi Efesọs 2:8, 14; Ndi Rom 8:1; 4:19-22

2 Onye azọpụtara nwere ohere ịbakuru Chineke na iso Ya nwekọọ ihe, Ndi Rom 5:2; I Jọn 1:3

3 Ọnọdụ dị icheiche náalụọlụ iweta ọdịmma nke imemmụọ anyị, Ndi Rom 5:3-5; 8:28

**II Mkpuchimmehie Ahụ**

1 Mgbe anyị nọ náenweghị olileanya maọbụ ụzọ nke nzọpụta, Kraist nwụrụ n'ihi anyị, Ndi Rom 5:6

2 Anyị, dịka ndịmmehie megide Chineke, ka emere ka anyị na Chineke dị n'udo site n'ọnwụ nke Ọkpara Ya, Ndi Rom 5:7-11

3 Site n'otù mmadụ, Adam, mmehie batara nime ụwa, site kwa ná nrubeisi na àjà nke otù Mmadụ, Jisọs Kraist, emere mkwadobe maka mgbapụta nke anyị, Ndi Rom 5:8-21

**III Mmeri N'ebe Mmehie Dị**

1 Onye azọpụtara anaghị ebi kwa ndụ nime mmehie, kama nime Kraist -- ná ndụ ọhụụ, Ndi Rom 6:1-5; I Jọn 3:4-10; Ndi Galetia 5:22-24

2 Mgbe agụrụ mmadụ n'onye eziomume mmadụ ochie anyị, bụ́ ụdị nke Adam nke eketara site ná mmehie nke Adam naabụ ihe akpọgidere n'obe, ma arụ nke mmehie a ka anaebibi mgbe edoro mmadụ nsọ, Ndi Rom 6:6

3 Kraist agaghị anwụ kwa ọzọ ebe emere ka O si n'ọnwụ bilie, ma anyị onwe anyị ebe anyị nwụworo n'ebe mmehie dị naadị ndụ n'ebe Chineke nọ, Ndi Rom 6:7-11

4 Adụrụ anyị ọdụ ka anyị náefè Chineke òfùfè site n'ịdịnsọ niile, ọ bụghị n'ịtụanya na amara nke Chineke gaekpuchi mmehie kama ọ naeme ka anyị ghara imehie, Ndi Rom 6:12-23; Ndi Hibru 12:14

5 Ikpé banyere mmehie aghaghị ịdị; ndụ ebighịebi bụ onyinyeamara nke Chineke, Ndi Rom 6:23

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Mmadụ na Chineke Ịdị N'udo

Otù nime ọtụtụ urù dị ebube nke anaenweta n'Oziọma bụ udo nke obi na mkpụrụọbi. Onye ahụ nke náekwerebeghị rue nzọpụta nọ n'orù n'ihi na mmadụ niile emehiewo ha adịghị eru kwa otuto nke Chineke. Eleghịanya ọ gaghị amata na ya nọ n'ịbụorù nke ekwensu, o nwekwara ike náanyaisi na ya bụ onye nweere onweya ọbụná ime otú o si chọọ, ma mmadụ apụghị inweta ezi inwereonweonye tutu rue mgbe atọpụrụ onye ahụ n'agbụ nke mmehie o wee bụrụ onye nweere onweya ime ihe niile nke Chineke chọrọ ka o mee. Inwereonweonye pụọ naamamikpé na agbụ nke mmehie naewebata mmadụ nime ezi mmekọrịta nke ya na Chineke ma náeweta kwa udo na ọñụ nke obi nke anaapụghị ịkọwa nke jupụtakwara n'otuto.

Akpọrọ Abraham nna nke ndị okwukwe. Ihe kpatara nke a bụ na o kweere Chineke wee mee kwa ihe niile dịka ntụziaka niile nke Chineke si dị. Mgbe Chineke kwererị mkwà na ọ bụ site ná mkpụrụ nke Abraham ka agaesi gọzie agbụrụ niile nke ụwa, Abraham kweere náarụghịụkà na ihe Chineke kwererị námkwà na Ọ ghaghị imezu ya. Dịka ọnọdụ òkìkè nke anụarụ si dị ọ matara na ọ pụghị inwe mkpụrụ ọ bụla, ma "o jigh kwa ekwegh-ekwe nwe obi abua n'ebe nkwà Chineke di, kama ejiri okwukwe-ya me ka ọ nwe ike, ọ nēnye kwa Chineke otuto, nēkwezu kwa na ihe Ọ kwereri ná nkwà, Ọ puru ime kwa. N'ihi ya agu-kwa-ra ya nye ya dika ezi-omume" (Ndi Rom 4:20-22). Emezuru mkwà nke Chineke ewee mụọ Aisak mgbe Abraham mere agadi; site kwa n'agbụrụ nke nwa nwoke a Jisọs bịara iwere onweYa nye dịka Onyenzọpụta nke ụwa.

### Ịgụ Mmadụ N'onyeeziomume

Ịgụmmadụ n’onyeeziomume pụtara ikwu na mmadụ bụ onyeeziomume. Mmehie ọ bụla aghaghị inwe ntàràmaahụhụ, ma mgbe anyị nwere okwukwe n’Ọbara nke Jisọs nke awụsịrị wee ghọta kwa na Chineke zitere Ya ka Ọ nwụọ n’ihi mmehie niile nke anyị, anyị naahụ́ na anaekpuchi mmehie niile. Onyeeziomume ịnwụrụ onyeikpé mara. Amamikpé nke Mmụọ Nsọ naeweta n’ihi mmehie naeme ka onye mmehie mara amamikpé ahụ nke dịrị ya; ma ịbaànye nime ìhè nke Okwu Chineke nke naakụzi na mmadụ naenwe mgbaghara zuruezu nke bụ kwa n’efù mgbe ọ naekwere n’Onyenweanyị Jisọs Kraist, bụ nnwapụta dị ebube karịsịa. Ịbụ onye agụrụ n’onyeeziomume n’iru Chineke, ịzọpụta anyị site námmehie niile nke anyị, na inwe Mmụọ Nsọ nke naagbaàmà n’obi na alụwo ọlụ ahụ naeweta mmeri nime ndụ anyị na óké ọñụ na otuto site nime alaala obi anyị.

Ịnata mgbaghara nke zuruezu n’ihi imebi iwu ụfọdụ nke ala anyị gaabụ ihe ejị ọñụ na ekele nabata nke ukwu; ma ọ naabụ ihe ịtụn’anya mgbe anyị naaghọta na ọ bụ Chineke ka anyị mehiere megide, na site n’izite Ọkpara Ya Jisọs ka Ọ kwụọ ụgwọ ahụhụ nke mmehie anyị. Ọ rọpụtakwara ụzọ nke apụrụ isite na ya gbaghara anyị pụọ náahụhụ ebighịebi.

### Mmehie Zuru Ụwa Niile

Site n’aka otù mmadụ, Adam, mmehie batara nime ụwa, site kwa n’aka otù Mmadụ, **Jisọs Kraist**, enyere anyị nzọpụta pụọ ná mmehie. Adam na Iv mehiere n’Ogige Iden site n’ịnupụrụ Chineke isi, ọ bụ kwa ihe metụtara agbụrụ niile nke ụmụmmadụ mere na “madu nile emehiewo, ha adigh-eru kwa otuto Chineke” (Ndi Rom 3:23). Mgbe Adam na Iv dabasịrị n’ọnwụnwa ahụ n’Ogige Iden, ha mere ka ọgbọ niile nke soro ha n’azụ bụrụ ndị ketara òkè n’ọdịda ahụ. Nke a, n’ezie bụ ọnọdụ nke ọdịda, nke omume ọjọọ na nke jupụtakwara ná mmehie. Ya mere ọ bụ eziokwu na anyị niile bụ ndịmmehie site n’ọ́mụ́mụ́, ma mgbe anyị tozukwara ịmata eziihe na iheọjọọ mmadụ ochie a naeduba kwa anyị ịrọrọ mmehie.

Ọ bụ ezie na mmadụ niile adịghị ejeso otù ụdị mmehie, ma Baịbụl sịrị, “Madu nile emehiewo, …..” Nke ahụ naegosi na mmadụ niile n’ọ̀tụ̀tụ̀ nọ n’ikpéọmụma, na ha aghaghị kwa ịchọ mgbaghara nke mmehie. Mmehie bụ ihe zuru ụwa niile ma ohere nke inwe nzọpụta bụ kwa ihe dịrị ụwa niile. “N’ihi na Chineke huru uwa n’anya otú a, na Ọ nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nání ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n’iyi, kama ka ọ nwe ndu ebigh-ebi” (Jọn 3:16).

### Odudonsọ

Mmehie dị n’ụdị abụọ. “Mmehie,” mgbe anaekwu banyere mmehie náabụghị n’ụzọ ọ bara ụba, naekwu banyere mkpọrọọgwụ nke mmehie maọbụ mmehie nke eketara site n’ọdịda nke mmadụ. “Mmehie” mgbe ha dị ọtụtụ, naatụ́ aka banyere mmebiiwu na ajọomume niile nke emere. Okwu nke bụ “gbaghara” naekwu ihe banyere mgbaghara nke mmehie niile nke anyị mere n’onweanyị, okwu ndịa kwa “hichapụ.” “suchaa,” “nuchaa,” “doonsọ,” naekwu ihe banyere nrọpụ nke ndụ nke anụarụ naachị, njọ ekereụwa, maọbụ mmadụ ochie ahụ site na mkpọrọọgwụ.

N’iheọ̀mụ̀mụ̀ a anyị naagụ ná Ndị Rom 6:6, “Ebe ayi mara nka, na akpọgidekọrọ Ya na madu ochie ayi n’obe, ka ewe me ka aru-ayi nke nmehie nwezu ghara idi irè, ka ayi we ghara idi nābú orù nke nmehie ọzọ.” Mgbe agụrụ anyị ná ndị eziomume mmadụ ochie ahụ, njọekereụwa ka akpọgidere n’obe. Nke ahụ bụ nááṇị ihe ka etiri ya, ma ọ naghị egosi na ọ nwụwo. Akpọgidere ya n’ebe ahụ ka “aru-ayi nke nmehie nwezu,” njọekereụwa, “ghara idi irè.” Ịghara ịdị irè pụtara iwepụchasị ya kpamkpam.

Isiihe niile nke Ndi Rom isi nke isii naakọwa bụ na anyị aghaghị inwereonwe anyị pụọ ná mmehie ma ghara kwa ịbụ ndị náebi ndụ nime mmehie. Ọ naatụ́aka banyere ịdịndụ náenweghị mmehie ya na inwereonwe pụta n’agụụ nke ime mmehie nke sitere ná “madu ochie ahu” tutu ebibie ya. Ọ naakụziri anyị na ndụ dị nsọ nke anyị náebi naekwu ihe banyere ọlụ nke Chineke lụworo n’obi anyị. Ụfọdụ naàrụ̀ụ̀kà na anyị apụghị ịbụ ndị nwere onwe anyị n’ebe mmehie dị nime ụwa, ma izi ihe dị otú ahụ bụ ime ihe nke Okwu Chineke náachọghị. Anyị naagụ na Ndi Rom 6:1, 2: “Àyi gānọgide ná nmehie, ka amara we rie nne? Chineke ekwela. Ayi onwe-ayi, bú ndi nwuru n’ebe nmehie di, àyi gēsi aña nādi ndu ọzọ nime ya?”

### Ọwụwụmmiri nke Mmiri

Site na ọwụwụmmiri nke mmiri anyị naagwa ụwa na anyị bụ ndị nwụrụanwụ n’ebe mmehie dị ma náadị kwa ndụ nime Kraist. Elikọrọ anyị na Ya nime ọwụwụmmiri, anyị esi kwa na mmiri rịgota dịka iheàmà na anyị biliri ịdịndụ ọhụụ. Tutu anyị echègharịa, ndụ ochie nke anyị bụrị ihe onyeiro nke mkpụrụobi anyị, Setan naachị, ma mgbe amụrụ anyị ọzọ enyere anyị ike ka anyị gaa ma ghara kwa imehie ọzọ. “Onye nēme nmehie si n’Ekwensu puta; n’ihi na Ekwensu nēmehie site na mbu. Ihe eji me ka Ọkpara Chineke puta ìhè bu nka, ka Ọ we la ọlu nile nke Ekwensu n’iyi. Onye ọ bula nke amuworo site na Chineke adigh-eme nmehie, n’ihi na nkpuru Ya nādigide nime ya: ọ pugh kwa imehie, n’ihi na amuwo ya site na Chineke” (I Jọn 3:8, 9).

Mmadụ ekwesịghị iwepụta onweya dịka onye agaawụmmiri tutu rue mgbe o doro ya anya na amụwo ya ọzọ. Ndịozi nke Chineke kwesịrị ka ha wụọ ndị náání ndị ahụ bụ́ ndị siworo n'ọnwụ baa nándụ mmiri site n'ịbịànye ha nime mmiri, bụ́ ndị Mmụọ nke Chineke sooro mmụọ ha náagbaàmà na amụwo ha site na Chineke. Ọ bụrụ na agụwo mmadụ n'onyeeziomume n'iru Chineke, ọ nwere ịgbaàmà ahụ ma bụrụ kwa onye tozuruòkè ka awụọ ya mmiri na onye nwere ike nke ịdịndụ náemeghị mmehie. Dịka ọ naejéịjè n'ìhè nke Okwu Chineke, mkpụrụ nke Mmụọ nke Chineke gaapụta ìhè nime ndụ ya (Ndi Galetia 5:22-24), ọ gaabụ kwa onye eduru ịba n'ọtụtụ ihe nke dị omimi. Mgbe náadịghịanya ọ gaahụ́kwa na ọ dị mkpà ka edoo ya nsọ ma were kwa Mmụọ Nsọ wụọ ya mmiri. Otú ọ dị, o kwesịghị ka o chere rue mgbe edoro ya nsọ na mgbe o nwere ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ka ewee wụọ kwa ya mmiri. Kama, mgbe azọpụtara ya ọ gaesoro Onyenweanyị baa n'ọwụwụmmiri n'ohere mbụ ahụ.

**Ihe Dị Iche**

Enwere ịdị iche ukwu n'ụzọ niile ọ bụla, n'etiti onye azọpụtara na onye anaazọpụtabeghị. Ọ bụrụ na anyị ewere onweanyị nye n'ịbụ orù nke mmehie, anyị gaanata ọnwụ ebighịebi dịka ụgwọọlụ. Ọ bụrụ na anyị gaarọrọ iwere onweanyị nye dịka ndịorù nke Kraist, anyị gaanata ndụ nke ịdịnsọ na ọñụ ma n'ikpeazụ ndụ ebighịebi. Ịchọ ka anyị zọpụta onweanyị site n'ọtụtụ ọlụ nke aka anyị maọbụ site n'idebe Iwu gaabụ náání n'efu n'ikpeazụ, ma ịtụkwasịobi n'ịdịike nke Ọbara ahụ nke Jisọs wụsịrị gaeme ka anyị nwee olileanya nke nzọpụta. Ekwensu bụ onyeọchịchị akaike ma ụgwọ agaakwụ ya doroanya. Ụgwọọlụ nke mmehie bụ ọnwụ. Chineke hụrụ ndị nke Ya n'anya ma náawụpụkwara ha ọtụtụ ngọzi Ya nke kachasị mma, n'ikpeazụ ha gaanata kwa onyinye nke Chineke naenye n'efu, nke bụ́ ndụ ebighịebi site na Jisọs Kraist.

**Amara maka Ọnwụnwa Dị icheiche**

Onye nke Kraist abụghị onye náagaghị enwe nnwapụta maọbụ ọnwụnwa, kama ọ gaenwe ike imeri ha site n'ike nke Chineke. Ọtụtụ nime ihe ndị ahụ nke bụ óké ọnwụnwa nye onye nke náenwebeghị nchèghari, ka Onye nke Kraist naewere dịka ụzọ nke Chineke naeji akụziri ya ka ọ tụkwasị Onyenwe ya obi. Onye nke Kraist nwee ụzọ nke o si eru n'Ocheeze nke Amara, ekpere ya niile naarịgokuru kwa nna ahụ mgbe niile. Mmụọ Nsọ naakụziri ya otú esi ekpeekpere ma náewere kwa ịsụude nke anaapụghị ikwu ihe banyere ya náarịọrọ ya arịrịọ. Mgbe ọ matara na "nkpagbu nāluputa ntachi-obi" ọ pụrụ ịhụ na ọbụná nime ọtụtụ ihe nke siri ike na ebube nke Chineke naenwupụta. Ọ bụ ohere nke o nwere ikwu dịka Job sị, "Le, O gēgbum; m'gagh-echere," ("Ọ bụ ezie na Ọ naegbu m, ma m'gaatụkwasị Ya obi"); dịka Job, ọ gaahụ́ na ikpeazụ dị mma karịa mmehie.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Òlee ụzọ esi agụ anyị ná ndị eziomume?

2 Òlee otú anyị gaesi mee omume nime mkpagbu, ọ̀ bụ kwa gịnị ka anyị gaatụ anya inweta site ná mkpagbu?

3 Site n'aka ònye ka mmehie si bata n'ebe mmadụ nọ? site kwa n'aka ònye ka mgbapụta bịara?

4 Onye ahụ nke azọpụtaworo ọ̀ naanọgide nime mmehie ya?

5 Kpọọ aha ụdị mmehie abụọ? Òlee otú esi ewepụ ha n'otù n'otù site n'Àjà ahụ achụrụ banyere Mkpuchimmehie?

6 Òlee otú anyị gaesi hụ́ta onweanyị n'ihe banyere mmehie?

7 Ndịorù nke ònye ka anyị bụ maọ bụrụ na anyị nweere onweanyị n'ebe mmehie dị?

8 Kwue ihe dị iche n'ikpeazụ nke onye mmehie na nke nwa Chineke.

9 Gịnị bụ ihengosi nke amara nke Chineke nime obi anya?

10 Ndịorù nke ònye ka anyị bụwororị tutu azọpụta anyị ma napụta kwa anyị ná mmehie?